# KRAIST, NWAATỤRỤ NKE CHINEKE

**Aisaia 53:1-12; Ọlu Ndi-ozi 8:26-35**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 367**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: Eledara Ya anya, ọ bu kwa onye madu rara aka; onye nwere ọtutu ihe-ngbu na onye mara ọria nke-ọma: e, dika onye madu nēzonari iru-ya, otú a ka eledara ya anya, ayi we ghara igu ya n'ihe" (Aisaia 53:3).**

**I Amụma dị icheiche Banyere Kraist**

1 Onyenwe anyị bịakwutere ndị Juu, ma ekweghịekwe ha kpuchịrị ha anya, nke mere na ha anaraghị Ya dịka Mesaia ha, Aisaia 53:1; Jọn 12:38; Ndi Rom 10:16

2 Ntụpụta dị ala na ịdịnwayọ nke Jisọs mere ka ọtụtụ mmadụ ghara inwe mmasị n'ebe Ọ nọ, Aisaia 53:2; 52:14

3 Ọ bụ onye eledaraanya na onye anaemeso omume nke ịkwaemò, Aisasia 53:3; 50:6; Matiu 26:67; 27:30, 31

4 Ọ hụrụahụhụ n'ihi mmehie náabụghị nke Ya, emewo kwa ka ajọomume nke anyị niile dakwasị Ya, Aisaia 53:4-6; Matiu 8:17; I Ndi Kọrint 15:3; Ndi Hibru 5:8; I Pita 2:24

5 O ji ịdị nwayọ na inye Onweya hụọahụhụ nke ọnwụike na nke ikpé náezighịezi, Aisaia 53:7, 8; Matiu 26:62, 63; 27:11, 12; Ọlu Ndi-ozi 8:32, 33

6 Emere ka Ya na ndị náemebiiwu nwụkọọnwụ, ọ bụ kwa n'etiti ndị ọgaranya ka emekwara ka ílì Ya dị, Aisaia 53:9; Matiu 27:57-60

7 N'ihi àjàmkpuchi nke Ọ chụrụ, ọnwụ Ya, mbiliten'ọnwụ Ya, na arịrịọ nke Ọ naarịọrọ anyị n'ebe Chineke nọ. Ọ gaewetara ọtụtụ mmadụ anapụghị ịgụtaọnụ mgbagharammehie, wee merie kwa ndị iro Ya niile, Aisaia 53:10-12; Luk 22:37; Ọlu Ndi-ozi 13:38; Ndi Rom 3:25; 5:15, 18

8 Filip were ebeọgụgụ nke sitere n'Akwụkwọ Aisasia 53:7, 8, wee gwa Onozi nke Etiopia ahụ ihe banyere Jisos, Ọlu Ndi-ozi 8:26-35; Luk 24:27; Ọlu Ndi-ozi 18:28

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

Akwụkwọ Aisaia, isi nke iriise na atọ a bụ otù ebe ahụrụ n'anya nke ukwuu nime Baịbụl karị ebe ọzọ. O kwesịrị ka onye ọ bụla mụta ya buru n'isi. Ọ bụ ihe ndị náesoụzọ Ya ghọtara nkeọma na ọ naekwu banyere Jisos. Ọ bụ ebe a ka Onozi Etiopia naagụ mgbe Filip jekwuru ya. Filip wee jụọ ya sị, "I nāmata ihe I nāgu?" Onozi ahụ wee za ya sị, "È-è, n'ihi na m'gēsi aña pu imata, ma ọ buru na ọ digh onye gēdum?" "Filip we saghe ọnu-ya, zi ya ozi-ọma Jisus nāmalite site n'ihe a edeworo n'akwukwọ nsọ."

### Ekweghịekwe nke Ụmụmmadụ

Onyeamụma ahụ nọ náahụ onyinyo nke Onyenzọpụta nke náahụ ahụhụ ụdị pụtara ìhè dịka agaasị na ya onwe ya naeguzo nso ebe ahụ wee hụ ihe niile nke mere n'ebe ahụ akpọgidere Jisọs.

Mgbe o lepụrụanya n'iru wee hụ otú Ndị Juu jiri ju Mezaia, o wee tiemkpu sị: "Ònye kwere ihe ayi nuworo?" Ọ dị ihe abụọ nke mere o ji kwesị ka ha kwere. Otù nime ihe ndịa bụ na ndịamụma niile site na Moses ga n'iru ebuwo amụma banyere ọbịbịa nke Onye Eziomume ahụ. Kama nsogbu ha nwee bụ na ha lere anya na otù onye gaapụta ìhè n'ịmamma na nganga n'ebube nke ndị eze ụwa a. O siiri ha ike ikwere na otù onye dị nwayọ ndị kwa umeala n'obi dịka Jisọs Onye Nazaret pụrụ ịbụ Mesaia ha.

Ihe nke abụọ mere o ji kwesị ka ha kwere Ya bụ n'ihi iheirịbaama dịicheiche na ọlụebube nke soro n'ijéozi Ya niile. "Ekpughere" "ogwe-aka JEHOVA" n'ịgwọọrịa nke anaapụghị ịgwọagwọ. Emere ka

ndị nwụrụanwụ si n'ọnwụ bilie, mee kwa ka ndị ekpenta wee dị ọcha, emeghere anya ndịisì, mee kwa ka ndị ntịchiri nụ ihe. Ọ dịghị ụdị ọrịa ọ bụla nke anaagwọghị site n'ike ukwu Ya.

Otù ụbọchị Jisọs gwara ụmụmmadụ sị "Kwerenum na Mu onwem nọ nime Nnam, Nnam nọ kwa nimem: ma ọ bugh, kwerenum n'ihi ọlum onwe-ha" (Jọn 14:11). Ọ dịghị onye ọ bụla lụrụ ọlụebube nke Ya onwe ya lụrụ. Otú ọ dị, obi ha jupụtakwara n'ekweghịekwe.

Mgbe anyị naecheta otụtụ mgbe emere ka ogweaka Jehova bụrụ ihe ekpughere n'arụ anyị n'oge Oziọma nke Mmiriòzùzò nke Ikpeazụ a, otú esi gwọ ọrịa dị icheiche n'arụ anyị na otú esi lụọ ọtụtụ ọlụ ebube nke anaapụghị ịgụtaọnụ n'ebe anyị nọ, ọ naeju kwa anyị anya nke ukwu, bụ ekweghịekwe nke ụmụmmadụ. Ọ dị ka agaasị na ákwàmgbochị nke mechirị anya Ndị Juu ekpuchiwo anya Ndịmbaọzọ taa.

**Iruuju na Ahụhụ**

Iruuju na ahụhụ rapụrụ akàrà (maọbụ apa ha) n'arụ Ya rue mgbe nke a mere ka iru Ya gbarụọ karị onye ọ bụla nke iru ya gbarụrụagbarụ. Ọ maghịmma n'ile Ya anya nke agaeji chọsie Ya ike. Ọ dịghị onye ọ bụla nke buru Ya ụzọ maọbụ nke so Ya n'azụ, bụ́ onye pụrụ ibu ibuarọ nke mmadụ nọ n'ahụhụ nke O buru. Nime ogige ahụ, O tirimkpu sị; "Ọ nēwuta nkpuru-obim nke uku, rue ọnwu." O buru ibuarọ ahụ rue Kalvarị. Ọ nwụrụọnwụ n'obi ntiwa. Ndị Juu chèrè na Ọ bụ onye náachọ ka mmadụ náeme ihe ọ bụla o kwuru na onye nduhie, na n'ihi nke a Chineke mere ka iheotiti dịkwasị Ya n'arụ. Ekweghịekwe mere ka ha kpue isì.

**Àjà Mkpuchimmehie Ahụ**

Àjà achụrụ na Kalvarị bụ àjàmkpuchi zuruòkè nke achụrụ maka arụ na mkpụrụobi. O bupụwo ọrịa niile nke anyị, ọ bụ kwa ihemgbu anyị ka O buruworo. Eleghịanya, ahụhụ anaekwuokwu ya n'ebe a bụ nke obi na nke arụ -- ọtụtụ mmehie nke anyị. O buru ha n'arụ Ya n'elu obe. Onye náamaghị mmehie ka emere ka o buru mmehie n'ihi anyị, ka ewe wepụ ajọomume anyị niile.

Iruuju dị icheiche jikọtara mmekpaarụ dị icheiche nke arụ. O were ụdị nke mmadụ ka O wee pụ iji obi soo anyị hụkọ ahụhụ náadịghịike anyị. Eji kwa ubiriụtarị Ya mee ka arụ anyị dị ike.

Ọrịa na abịa n'ihi mmehie, maọbụghị site ná mmehie nke anyị onwe anyị, ọ bụrụ nke onye ọzọ mere. Ọ bụrụ na mmehie adịghị site ná mmalite nke ụwa, ọrịa agaghị adịworị. Àjà nke Mkpuchi ahụ na ekpuchi ha abụọ. Ebe emere ka àjà nke a zueòkè, Ọ naegbozu mkpà niile, zue kwa ịzọpụta onye ọ bụla nọ nime ụwa nke a ụgbu a, na onye ọ bụla agaamụ nime ụwa na ọdịn'iru, ma otú ọ dị, Àjà nke mkpuchimmehie ka emere ka ọ dịrị náání ndị gaechègharị site ná ndụ nke mmehie. Chineke naeme ebere, ma mmadụ aghaghị ịnara ebere ahụ ka o wee nata mgbaghara mmehie.

**Ndochi**

"Ahuhu nmehie nke udo ayi di n'aru-ya." Ndị Nnenanna naenye ụmụ ha ahụhụ mgbe ha mere ihe ọjọọ, iji mee ka ha jee ijè n'ụzọ ziriezi. Ma etiri Ya iheotiti n'ihi njehie anyị. Ọ maghị mmehie, ọ dịghị mgbe Ọ mere ihe ọ bụla jọrọnjọ, bụ Onye a etiriihe n'ihi mmehie anyị, ka anyị na chin eke wee dị n'udo. Ejiri Ya dochie ọnọdụ anyị, Ndụ Ya n'ọnọdụ ndụ anyị, ka ndụ anyị wee nweike ịmịmkpụrụ udo nke eziomume.

**Ikpé Nke N'ezighị ezi**

"Site na nmegbu, site kwa n'ikpè, ka ewepuru ya." Ewepụrụ Ya dịka onye ji aghụghọ n'ebuli onweya elu, ekpegh kwa Ya ikpé ziriezi. "Kpọgide ya n'obe, kpọgide ya n'obe" bụ ihe igwemmadụ ahụ naeti. Enyeghị Ya otù onye akaebe ka o kpere ya ọnụ Ya. O wee were obi dị nwayọ na umeala nagide ya. Dịka nneatụrụ nke dara ogbi n'iru ndị náakpacha ya ajị, e Ọ dịghị asaghe ọnụ Ya. Otù ihe nke pụtara ìhè n'ebe Jisọs nọ bụ idereduu (maọbụ ịgbankịtị). "Ma mgbe ndi isi-nchu-àjà na ndi-okenye nēbo Ya ebubo, Ọ zagh ihe ọ bula. Mgbe ahu Pailet si Ya, I nugh ka ọtutu ihe ha nāgba àmà megide gi ra? Ma ọ zagh ya, ọbuná rue otù okwu; ya mere na o juru onye-isi ahu anya nke uku" (Matiu 27:12-14).

**Ílì Ya n'etiti ndị Ọgaranya**

Site n'ịkpọgide Ya na ndịori ahụ n'obe, ọ bụ nzube ha ka elikọ Ya na ndị náemebiiwu. Enyeghị mmadụ òlìlì nke kwesịrịekwesị bụ nleli ukwu ririnne. Otù ọgaranya anaakpọ Josef onye Arimatia wee jekwuru Pailet, riọ ya ka o bunye ya arụ Jisọs. Ọgaranya ọzọ kwa nke anaakpọ Nikọdimọs, onyeisi nke ụlọnzukọ wetakwara mmanụ dị óké ọnụahịa náesiísìụtọ, ha wee dọba arụ Jisọs n'ílì ọhụụ nke anaelibeghị onye ọ bụla nime ya. N'ụzọ dị otú a, ewee mezue okwu nke amụma Aisaia bụ onyeamụma.

**Ọnụụzọama nke Ndụ**

"Ayị nile kpafuru akpafu dika igwè aturụ." Anyị kpafuru site n'igwèatụrụ, ewe duhie anyị ịba nime mbibi site ná mmehie nke amụrụ anyị nime ya -- anyị wee fue, fue ebighịebi! Ma Jehova emewo ka ajọomume nke anyị niile dakwasị Ya. Jisọs bụ ụzọ nke ịlaghachị ná ndụ, ọnụụzọ ghereoghe nke anyị pụrụ isi bànye wee nweta nzọpụta. Obe dị Ilu, ahụhụ nke dị kwa omimi, ma O buru ha niile náatamùghịntamù náánị ka anyị wee nwee ike ịlaghachịkwuru Chineke. Anyị adịghị eguzo kwa n'ọnụ olùlù dị ilu nke ịlan'iyi ebighịebi taa, wee náelebaanya nime ọchịchịrị ya niile wee náasị "Ọ digh kwa olile-anya di." Jisọs mere ka ịkpáókè ukwu ahụ ghara kwa idị. Ọ naatụkwasị anyị n'ubu Ya abụọ wee kpọghachị anyị n'ebe Chineke nọ (Luk 15:5).

**"Ịhụ-n'anya nke mere nzọpu!**

**Amara wetara ya mmadụ!**

**Ok'olulu Chukwu mechiri**

**Na Kalvarị !**

**Ebere n'amara dị ukwu;**

**Mgbaghara mmehie awụsị rị m;**

**N'eb'ahụ k'obim nwer'onwe-ya**

**Na Kalvarị "**

Onye ahụ n'emeghị iheọjọọ hụrụ ahụhụ dịka onye ajọomume, ka onye ahụ nke ikpé mara wee nata ụgwọọlụ dịka onye náemeghị iheọjọọ.

**Mkpụrụ Ya**

"Ọ gāhu nkpuru-ya me ka ubọchi-ya nile di ogologo, ihe nke nātọ JEHOVA utọ gāga kwa nke-ọma n'aka-ya." Ọ bụ ezie na ebipụrụ Ya n'ala ndị dị ndụ, mkpụrụ Ya -- Ndị nke Kraist -- dị ọtụtụ. Ọtụtụ asawo uwe ha n'ọbara nke Nwaatụrụ ahụ, amụwo kwa ha ba n'Alaeze nke Chineke. Jọn hụrụ óké igwè mmadụ nke onye ọ bụla náapụghị ịgụtaọnụ, ndị si ná mba niile ọ bụla na ebo niile, na ndị niile na asụsụ niile, pụta náeguzo n'iru ocheeze ahụ na n'iru Nwaatụrụ ahụ, egbokwasịworo ha uwenwụda dị ọcha, igunkwụ dị kwa n'aka ha. Ì so n'ọnụọgụgụ nke ndị Juu ahụ n'ekweghịekwe? Maọbụ èdewo aha gị n'Akwụkwọ nke ndụ nke Nwaaturụ?

**Anya nke Amụma Ahụ**

Aisaia site n'anya nke ibuamụma, lepụrụanya n'iru wee hụ ndụ nke Kraist dịka Matiu, Mak, Luk na Jọn (ọ bụ ezie na ọ bụ karịa dịka mmadụ ndịa mara), bụ́ ndị soro Ya jègharịa mgbe Ọ nọ nime ụwa nke a. O jiri anya amụma hụ́ Jisọs site na mgbe Ọ dị na nwatà rue na mgbe o nwere ọmiko n'ebe igwè mmadụ nọ wee gwọọ ndị ha arụ ha náadịghịike; tutu rue n'ụbọchị emere ka Ọ hụ ahụhụ site námmegbu na ikpé mgbe emere ka ọnwụ Ya dị n'etiti ndị náemebiiwu, na ílì Ya n'etiti ndị ọgaranya .

Onyeamụma a hụkwara Ya mgbe O siworo ná ndị nwụrụanwụ bilie. Ọ hụrụ Nzukọ Kraist nke eji Ọbara gbata, ya na mmeri ikpéazụ nke Kraist mgbe Ọ gaeso ndị nwere ume kesa ihe Ọ kwatara n'agha.

Ụdị ndụ dị añaa ka nke a bụ! Ụdị Onyenzọpụta dị añaa ka nke a bụ kwa! Ụdị Oziọma dị ebube dị añaa ka nke a bụ, nke Chineke chèpụtara n'Onweya iji kpọghachị ọgbọ Adam nke daraada ịbàtà n'iruọma nke Chineke ọzọ!

**AJỤJỤ DỊ ICHEICHE**

1 Ònye ka Onyeamụma a naekwu banyere Ya n'Akwụkwọ Aisaia isi nke Iriise na atọ a?

2 Ọ bụrụ na mmehie wetara iruuju nye obi anyị, òle otú o si metụta arụ anyị ?

3 Òlee ihe ọ pụtara bụ́ dịka atụrụ anaakpụrụ ijé n'ogbugbu ?

4 Ndị akaebe òle gbara Jisọs àmà n'ikpé Ya?

5 Gịnị ka Àjàmkpuchi na ekpuchi?

6 Ònye liri Jisọs?

7 Òlee ndị bụ mkpụrụ nke Jisọs?

8 Òlee ihe isoro ndị nwere ume kesa ihe akwatara n'agha pụtara?

9 N'ụzọ dị añaa ka ọnwụ Jisọs si bụrụ ihe ndochi nye anyị?